Gaa na www.jw.org/ig danloduo ya JW.ORG™

Mgbe Josef Nọ n'Ijipt

JENESIS ISI 39-40

MGBE JOSEF HA GACHARA IJE ỌTỤTỤ ỤBỌCHỊ, **HA RUTERE IJIPT.**

PỌTỊFA, Ị GA-AZỤ KA Ọ BỤ NA Ị GAGHỊ AZỤ?

EBE Ọ BỤ NA Ọ KA **NA-ETOPỤTA ETOPỤTA,** DỊRỊKWA **GARAGARA,** M GA-AZỤ YA.

KA OGE NA-AGA, JEHOVA NYEERE JOSEF AKA IHE ANA-AGARA YA NKE ỌMA N'OHU Ọ NA-AGBA N'ỤLỌ PỌTỊFA . . .

JOSEF, Ị KPAAKWALA IKE ỌZỌ N'ỌRỤ GỊ. JIDE KA I JI.

NNA M UKWU, I MEELA. ỌỌ CHINEKE M BỤ **JEHOVA** NA-ENYERE M AKA.

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

MANA UCHE **NWUNYE PỌTỊFA** BIDORO DỊWA N'EBE JOSEF NỌ.

JOSEF, Ị BỤ **EZIGBO** OHU. LEENỤ KEMGBE I BIDORO RỤWARA M ỌRỤ, CHINEKE GỊ **NA-AGỌZI EZINỤLỌ M.**

BIDO UGBU A GAWA, M CHỌRỌ KA Ị NA-ELEKỌTA **IHE NIILE M NWERE** MA N'ỤLỌ MA N'UBI.

JOSEF **MAKWARANỤ MMA** NWOKE . . .

SITE N'ỤBỌCHỊ RUO N'ỤBỌCHỊ, NWUNYE PỌTỊFA NA-AGWA JOSEF OTU IHE A . . .

KA MỤ NA GỊ **DINAA.**

MBA! DI GỊ, BỤ NNA M UKWU, ENYEFEELA M **IHE NIILE** O NWERE. MANA Ị BỤ **NWUNYE YA,** N'IHI YA, MỤ NA GỊ **AGAGHỊ** EDINA. Ọ BỤ **IMEHIE** CHINEKE!

OTU ỤBỌCHỊ, MGBE Ọ BỤ NAANỊ JOSEF BỤ NWOKE NỌ N'ỤLỌ PỌTỊFA . . .

KA MỤ NA GỊ **DINAA!**

MBA! HAPỤ M!

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

OTU ỤBỌCHỊ, JOSEF HỤRỤ NDỊ MKPỌRỌ ABỤỌ NA-ARỤBURU **FERO,** BỤ EZE IJIPT, ỌRỤ.

NKE A IHU UNU **DỊ OTÚ A,** Ọ DỊKWA NÁ MMA?

ANYỊ RỌRỌ **NRỌ.**

MA E NWEGHỊ ONYE GA-AKỌWALIRI ANYỊ IHE NRỌ ANYỊ PỤTARA.

M HỤRỤ OSISI VAỊN NWERE **ALAKA ATỌ** NKE MỊRỊ **MKPỤRỤ VAỊN.** M WEE WERE MKPỤRỤ VAỊN NDỊ AHỤ PỊNYE **N'IKO FERO** MA BUNYE YA IKO AHỤ.

CHINEKE NWERE IKE IME KA UNU MARA IHE NRỌ UNU PỤTARA. BIKO, **KỌỌRỌNỤ M** NRỌ UNU.

NÁ NRỌ NKE M, EBU M **NKATA** ACHỊCHA **ATỌ** N'ISI. MA ANỤ UFE BỊARA **NA-ERI ACHỊCHA FERO** NA NKATA NKE DỊ N'ELU ELU.

IHE NRỌ GỊ PỤTARA BỤ NA **N'ABALỊ ATỌ** TAA, Ị **GA-ARỤWAKWARA FERO ỌRỤ.** BIKO, **CHETAKWA M** MA GWA FERO GBASARA M N'IHI NA A TỌỌRỌ M ATỌRỌ, EKWESỊGHỊKWA M ỊNỌ N'ỤLỌ MKPỌRỌ.

NRỌ GỊ PỤTARA NA **N'ABALỊ ATỌ** TAA, FERO **GA-EGBU** GỊ.

ABALỊ ATỌ IHE A MECHARA, N'ỤBỌCHỊ FERO NA-EME NCHETA ỌMUMU YA, Ọ KPỌPỤTARA ONYE MKPỌRỌ NKE MBỤ, YA **ARỤWAKWARA YA ỌRỤ.** MA FERO **GBURU** ONYE MKPỌRỌ NKE ABỤỌ.

OGE NỌ NA-AGA, . . . MA ONYEISI NDỊ OBU IHE ỌNỤNỤ AHỤ FERO KPỌPỤTARA **ECHETAGHỊ** GWA FERO GBASARA JOSEF. MA, **JEHOVA** Ò CHEFURU JOSEF? JOSEF Ò GA-EMECHA **PỤTA** N'ỤLỌ MKPỌRỌ? GỤỌ KATUUN ỌZỌ E SERE ESE E JI AKỤZI BAỊBỤL KA ỊHỤ OTÚ JOSEF SI NYERE **NDỊ EZINỤLỌ YA** NA **NDỊ IJIPT** AKA.

OLEE IHE ANYỊ MỤTARA N'AKỤKỌ A?

GỊNỊ MERE JOSEF JI **RUBERE** JEHOVA **ISI** N'AGBANYEGHỊ NA O BI **EBE DỊ ANYA** N'EBE NDỊ EZINỤLỌ HA BI?
EBE GA-ENYERE GỊ AKA: ILU 15:3.

GỊNỊ MERE JOSEF JI **GBAA ỌSỌ** MGBE NWUNYE PỌTIFA CHỌRỌ IME YA KA O MEE MMEHIE?
EBE GA-ENYERE GỊ AKA: JENESIS 39:9.

Ọ BURU NA **IHE AGAARA GỊ NKE ỌMA** MA Ọ BỤKWANỤ Ọ BURU NA I NWERE **NKÀ** ỤFỌDỤ, OLEE IHE I KWESIRỊ **ICHETA?**
EBE GA-ENYERE GỊ AKA: JENESIS 39: 3, 23; 1 NDỊ KỌRỊNT 4:7.

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania